**MKPỤRỤOKWU GASỊ:**
Enyemaka Ego, Ihe Isi Ike Ego, Nkpochapụ Ego Ụgwọ, Enyemaka Ahụike

**EBUMNUCHE/IHE KPATARA IHE:**
Ebumnuche nke okwu iwu ndị a na esonu bụ maka ịkọwa usoro ntinye akwụkwọ maka enyemaka ego, etu esi enyocha ntinye akwụkwọ nakwa etu e si eme mkpebi maka ntozu, ọnọdụ ntozu maka atụmatụ enyemaka ego (gụnyere ntozu oke na enyemaka ego ihe isi ike), nkpochapụ ụgwọ nke ndị ọrịa nwere mkpa ahụike pụrụ iche maọbụ mkpa dịịrị mmadụ, etu ndị UMMS si agwa ndị ọrịa mgbe enyemaka ego dị, usoro e si etinye arịrịọ, nakwa ihe ndị e mere iji nata ụgwọ maka nlekọta ahụike enyere.

**NTINYE AKWỤKWỌ**
Iwu a na-emetụta ndị otu niile, ndị na-ere ahịa, na ndị nnọchi anya [ndị wepụtara onwe ha, ndị dọkịta na nọọsụ] nke otu n'ime ndị otu Ụlọ Ọrụ Ahụike nke Mahadum Maryland:

Ụlọ Ọgwụ nke Mahadum Maryland (UMMC)
UM Midtown Campus (MTC)
Ụlọ Ọgwụ UM EbeNweghachi Ahuike Mmadu na Okpukpu (UMROI)
Ụlọ Ogwu Ahụike UM St. Joseph Medical Center (UMSJMC)
Ụlọ Ọgwụ UM Baltimore Washington Medical Center (UMBWMC)
Ụlọ Ọgwụ UM Shore Regional Health (UMSRH)
Ụlọ Ọgwu UM Shore Medical Center n'Dorchester (UMSMCD)
Ụlọ Ọgwu UM Shore Medical Center n'Easton (UMSME)
Ụlọ Ogwu UM Charles Regional Medical Center (UMCRMC)
Ụlọ Ogwu UM Upper Chesapeake Health (UCHS)
Ụlọ Ọgwụ UM Capital Region Health (UMCRH)
Otu Ndị Dọkịta na Nọọsụ nke UM (UMPN)
Ndị Ọrịa na-anaghị Edina n'ụlọ ọgwụ na UMMC Rx Weinberg
Ụlọ Ahịa Ọgwụ UMMC na Redwood
Ịrụpụta na Ire Ọgwụ UMMS
Ụlọ Ahịa Ọgwụ nke UMMC Mid-Town Campus Pharmacy
Ụlọ Ahịa Ọgwụ UMMC na Capital Region
Ụlọ Ahịa Ọgwụ UMMC na Baltimore Washington

**NKỌWA GASỊ:**

| | |
| --- | --- |
| Ogo Ụbịam nke Gọọmentị Etiti | Ihe e ji amata mkpata ego a na-enye kwa afọ site n'aka ndị Ngalaba na Ahụ maka Ahụike na Ọrụ Enyemaka Ndị Mmadụ (HHS). A na-eji ogo ụbịam nke Gọọmentị Etiti achọpụta ntozu maka ụfọdụ atụmatụ na uru. |
| Ego Ihe Isi Ike | Ihe ịma atụ ebe ụgwọ ndị otu nke ndị otu wetara n'otu ndị UMMS maka ọgwụgwọ ọrịa dị mkpa nke ezinụlọ n'ihe karịrị ọnwa iri na abụọ (12) karịrị 25% nke ego ezinụlọ ahụ na-enweta kwa afọ. |
| Ogo Njedebe MDH | Pụtara njedebe ego ntozu maka ibelata ụgwọ nlekọta ahụike, nke ndị Ngalaba na-ahụ maka Ahụike na Maryland (MDH), ụlọ ọrụ nke Nhazi Atụmatụ Nlekọta Ahụike. Steetị Maryland nabatara mmụba Mkpụchi Ahụike maka ndị na enweghi ego nke Gọọmentị Etiti n'ọnwa Jenụwarị 1, 2014 tunyere Ogo Ụbịam nke Gọọmentị Etiti, n'okpuru Iwu Nlekọta E Nwere Ike,, nke mụbara njedebe ntozu ego maka Medikeedi Maryland Maryland. UMMS nabatara ogo njedebe ọhụrụ |

| | |
|---|---|
| | ndị a maka ibelata ego ọnụ ọgụgụ ụgwọ nke nlekọta ahụike, dịka a kọwara na mgbakwunye nke A. |
| Ụgwọ Ahụike | Mmefu ego si n'akpa gị, gụnyere akwwụmụgwọ ụgwọ ndi otu ya, , na nsepusi ego, e nwetara na ndị otu UMMS maka ọgwụgwọ ahụike dị mkpa. |
| Ntozu E chere | Ihe atụ ozi onye ọrịa wetara maọbụ site n'ụzọ ọzọ, nke na-enweta ihe akaebe zuru oke na onye ọrịa ahụ tozuru maka ịnata enyemaka ego, mana enweghi fọm enyemaka ego dị n'faịlụ. |

**IWU:**
Usoro Ahụikē Mahadum Maryland ("UMMS") na-agbasị mbò ike inwetara ndị nwere mkpa ahụikē enyemaka ego ndị na-enweghị mkpuchi, ndị mkpuchi ha ezụghị oke, ndị na-etozughị maka atụmatụ gọọmentị, maọbụ ikekwe na ha enweghị ike ikwu ụgwọ, maka mberede nakwa nlekọta ahụikē di mkpa dabere n'ọnọdụ ego onye ahụ.

Ọ bụ iwu nke ndị otu Usoro Ahuike Mahadum Maryland ("UMMS") inye enyemaka ego nkemezuru maọbụ karịa ihe a chọrọ a kọwapụtara site na Steeti Maryland maka ndị ọrịa mezuru ọnọdụ e gosipụtara ma rịọ ụdị enyemaka ahụ.

- **I.** **Nlek**ọta Efu -Ndi nwere ego ruru 200% nke ego ntozu Ngalaba Ahụike Maryland mepụtara tozuru maka ịnata nlekota n'efu.
- **II.** **Mbelata Ego Nlekọta** - Ndị dị n'agbata 200% na 300% nke oke ntozu ego nke Ngalaba Ahụike Maryland hibere tozuru oke maka mbelata n'ọ̀tụ̀tụ̀ mbugharị., dịka a kọwapụtara n'mgbakwunye nke A.
- **III.** **Ego Ihe isi ike - Ndị ahụ na-etozughi maka enyemaka ego n'okpuru isi ntụzịaka nke iwu a, mana ndị ego ụlọ ọgwụ ha nwetara na otu ndị otu UMMS karịrị 25% nke ego mkpata ezinụlọ kwa afọ, tozuru maka ịnata ego ihe isi ike.**

Usoro atụmatụ ịkwụ ụgwọ dịkwa maka ndị ọrịa niile. E nwere ike ịgbanwe usoro atụmatụ site na arịrịọ nke onye ọrịa, Ozi ndi ọzọ n'usoro atụmatụ ịkwụ ụgwọ dị adị n'Iwu Usoro Ịkwụ Ugwọ nke UMMS. UMMS nwere ikike site n'ikikere o nwere ikpebi okwu iji choputa ikike ndi ọrịa a nwere ikwu ụgwọ. A ga-agwọ ndị ọrịa nile na abịa maka ọrụ enyemaka mberede na-agbanyeghi ikike ha nwere ịkwụ ụgwọ. Make ọrụ enyemaka nke mberede/ ọrụ ngwa ngwa, a ga emezu, nata, ma nyochaa ntinye akwụkwọ maka enyemaka ego nke gara aga, ma a gaghị egbu ndị ọrịa oge ịnata nlekọta ahụike.

**USORO:**
**I. Etu E Si Etinye Akwụkwọ maka Enyemaka Ego:**
Maka ọgwụgwọ ọbụla onye oria chọrọ, a ga emepe usoro ntinye akwukwo enyemaka ego ruo opekampe ihe dịka ụbọchị 240 ka e zipụchara ụgwọ onye ọrịa nke mbụ maka nlekọta ahụ. Ndị ọrịa nwere ike isi n'ala ala obi ha tinye akwụkwọ maka enyemaka ego tupu maọbụ ka a natachara ọrụ enyemaka nlekọta ahụike, maọbụ e nwere ike ịmata ha dị ka ndị nwere ike itozu maka enyemaka ego n'oge usoro ngwucha ụgwọ maọbụ nnabata inye nlekọta ahụike nke obere oge ruo mgbe e nyochara ọnọdụ ntozu.

Nkwụsị ụgwo bụ usoro na-ekpebi ikike onye ọrịa nakwa ya nwa inwe ike ịkwụ ụgwọ. Mgbe enwere ike, a ga-eme mgbalị iji nye akwụkwọ ikike ego tupu ụbọchị ọrụ. N'oge usoro nkwucha ugwo, a ga-acho ka ndi ọrịa gosiri na ha enweghi aka oru na mkpuchi ahuike zite ntinye akwukwo maka enyemaka ego tupu ha anata nlekota ahuike na abughi nke mberede (bere sọ ha emezuru ọnọdu ntozu nke enyemaka a na atu anya ga-ekwe omume).

Aga enwe otu usoro ntinye akwukwo maka otu ndị otu UMMS. UMMS ga-anabata ndị Faculty Physicians, Inc. (FPI) ntinye akwukwo maka enyemaka ego nke e dejuputara (na ihe a choro maka ntinye akwukwo) na ikpebi ntozu maka Atumatu Enyemaka Ego nke UMMS. Ndị ọrịa kwesiri iweta ntinye akwukwo maka enyemaka ego e dejụpụtara (yana ozi na dọkụmentị niile a chọrọ), bere sọ ma ha emezuru ọnọdụ maka nnabata inye nlekota ahụike nke obere oge ruo mgbe e nyochara ọnọdụ ntozu. iji mee ka usoro a na-aga ngwa ngwa, ndi ọbula na-etinye akwukwo ga-enwetariri ozi banyere etu ezinụlọ ha na mkpata ego ha. A ga-anabata nyefe ozi a chọrọ, ebe o kwesiri. UMMS ga-enye ndị ọrịa niile ntinye akwụkwọ maka enyemaka ego n'agbanyeghị ọnọdụ mkpuchi ahụike nke ndị ọrịa niile, gụnyere ndị ọrịa na-enweghi mkpuchi, ma ntinye akwụkwọ ahụ ga-adịkwa n'webụsaịtị nke ndị UMMS nakwa site na arịrịọ.

**<u>Ikwado Akwụkwọ maka Ntinye Akwụkwọ Enyemaka ego</u>**

Iji nyere ndị na-etinye akwụkwọ aka mezuo usoro ahụ, a ga-edepụta akwụkwọ ndị a tụrụ aro ya na ntinye akwụkwọ enyemaka ego, gụnyere:

- Otu akwụkwọ nkwụghachi ụtụ isi ego Gọọmentị Etiti kacha e mere nso nso a (ọ bụrụ na ọ lụrụ di ma ọ bụ nwunye ma na-ede akwụkwọ iche, wee detuo nkwụghachi ụtụ nke onye òtù ọlụlụ); ihe akaebe nke ego nkwarụ (ọ bụrụ na ọdabara), ihe akaebe nke ego nchekwa ọha (ọ bụrụ na ọ dabara).
- O buru na o nweghi aka oru, ihe akaebe ziri ezi nke gosiri enweghi aka oru dika nkwuputa okwu sitere N' Ụlọ Ọrụ Enweghi Mkpuchi Enweghi Ọrụ, nkwuputa okwu sitere n'ebe nkwado ego si abia ugbua, dgz.
- Otu akwụkwọ akwụ ụgwọ a kwụrụ nso nso a (ma ọ bụrụ na e nweghi ọrụ) maọbụ ihe akaebe ọzọ nke ego ha nwetara.
- Ọkwa Enyemaka Ahụike nke Mkpebi (ma ọbụrụ na ọ dabara)
- Otu Otu akwụkwọ mgbazinye maọbụ Ugwọ Mgbazinye ha (ọ bụrụ na ọ dabara), maọbụ akwụkwọ ederede nke ọnọdụ obibi/ụlọ ha ugbua.
- Ọ bụrụ na onye ọrịa nyefere ma nnomi nke nkwụghachi Utụ Isi Ego Gọọmentị Etiti na nso nso a yana otu akwụkwọ ikwụ ụgwọ a kwụru nso nso a (maọbụ ihe akaebe ọzọ nke ego), na naanị otu n'ime akwụkwọ abụọ ahụ na-egosi ntozu maka enyemaka ego, akwụkwọ kacha ọhụrụ ga-ekpebi ntozu.

E nwere ike agaghị ajụ enyemaka ego dabere n'ozi e tinyeghi maọbụ akwụkwọ akaebe nke a chọghị kpọmkwem n'iwu a maọbụ na akwụkwọ enyemaka ego, ma UMMS nwere ikike inye ndị ọrịa na-enyebeghị akwụkwọ nkwado niile enyemka ego.

- O buru na onye oria enyefee ntinye akwukwo maka enyemaka ego na-enyeghi ozi maobu akwukwo ndi a choro maka mkpebi ikpeazu eji eme ntozu, A ga-ezigara onye ọrịa arịrịọ ederede maka ozi ma ọ bụ akwụkwọ na-efu efu.
- Akwukwo aririo a e dere ga-ebukwa ihe mkpoturu (gunyere nomba ekwenti na ebe obibi a na ahu anya) nke ulo oru maobu ngalaba nwere ike inye ozi banyere enyemaka ego nakwa enyemaka n'usoro ntinye akwukwo.

- Onye ọrịa ahụ ga-enwe ụbọchị iri atọ (30) site na ụbọchị enyere arịrịọ ederede a iji nyefee ozi ma ọ bụ akwụkwọ achọrọ ka a tulee maka ntozu. O buru na a nataghi ozi obula n'ime ubochi 30, a ga ezigara onye oria ahu akwukwo ozi ga-agwa ya na e mechiela okwu ahu ugbua maka na e wetazughi akwụkwọ ndi a chọrọ.
- Onye oria ahu nwere ike itinyeghari akwụkwọ maka enyemaka ego ma malite okwu ọhụrụ site n'inyefe ozi maọbụ akwụkwọ na-efu efu.

**II. Nnyochagharị na Ikpebi Ntuzo nke Ntinye Akwụkwọ maka Enyemaka Ego**

E nwere ndi otu a họpụtara ndị ga na-ahụ maka ịnara ntinye akwụkwọ enyemaka ego. Ndị otu a nwere ike ịbụ ndị ndụmọdụ gbasara ego, ndị nhazi nnata ego onye ọrịa, ndị nnọchịanya ụlọ ọrụ maka ọrụ enyemaka, maọbụ ụlọ ọrụ ndị ọzọ a họpụtara dịka mgbakwunye nke isi ụlọ ọrụ azumahia. Iji nyere ndi na etinye akwukwo aka imezu usoro ahu, UMMS ga-eweta akwukwo ga-eme ka ha mara udi oru ihe akwukwo a choro maka ime mkpebi ikpeazu maka ntozu. Ebe o kwere omume, ndị otu a hoputara ga-enye ndumodu site n'ekwenti maobu zute ndi oria ndi rioro maka enyemaka ego iji choputa ma ha e mezuru onodu enyemaka nke izizi.

A ga-etinye data mbido n'ime usoro mgbanwe data ndị ọzọ nke ga-eme ka onye otu a họpụtara soro ininye azkwukwo ahụ chọpụta ntozu maka enyemaka ego. Ndị otu a họpụtara ga:

- Ekpebi ma onye ọrịa ahụ o nwere mkpuchi ahụike. Ndị ọrịa nwere ohere ịnweta mkpuchi ahụike ndị ọzọ (ọmụmaatụ, mkpuchi nke mbu na nke abụọ maọbụ onye na-ahụ maka ọrụ a chọrọ, nke a makwaara dị ka ihe nrụpụta), ga-ejiriri ma mebie uru netwọkụ ha tupu ntinye akwụkwọ maka enyemaka ego.
- O buru na onye oria ahu tozuru maka mkpuchi COBRA,  ndi otu a hoputara ga-enyochaghari etu akpa nye oria ha inwe ike ikwu ugwo mkpuchi nke COBRA , a ga-aturu ndi Isi Ochichi aro.
- Mezue nlele ntozu na mmemme Medikeed maka Ndị Ọrịa Na-Akwụ Onwe Ha Ugwọ iji chọpụta ma onye ọrịa enwere mkpuchi ugbua. Iji mee ka usoro a na-aga ngwa ngwa, onye obula na-etinye akwukwo ga-enwetariri ozi banyere etu ozinulo ha na mkpata ego ha.
- Chọputa ma a ga-anabata inye onye ọrịa nlekota ahuike n'efu maọbụ na mbelata ego ụgwọ nlekọta ahuike.
- Chọputa ma ndị ọrịa na-enweghi mkpuchi  etozuru mkpuchi ahụike ọha ma ọ bụ nkeonwe. A ga-agba ndi nwere ego ime  mkpuchi ahuike ume ka ha mee ya, dika uzo e ji n'aka maka inweta oru enyemaka ahuike nakwa maka ahuike ha n'ozuzu.

Rou n'oke e nwere ike, ndị otu a họpụtara ga-enyere ndị ọrịa na-enwegjị mkpuchi  aka ma ọ bụrụ na onye ọrịa ahụ họọrọ itinye akwụkwọ maka mkpuchi  ahụike nke ọha maọbụ nkenew, chọpụta ma onye ọrịa ahụ o tozuru maka atụmatụ nke oha ọzọ nwere ike inye aka n'ụgwọ nlekọta ahụike, ma jiri ozi dịnụ na UMMS iji chọpụta ma onye ọrịa ahụ o tozuru maka nke efu maọbụ nke mbelata ego nkekọta ahụike n'okpuru nke Iwu Enyemaka Ego nke  UMMS.

N'ime ụbọchị azụmahịa abụọ anatasiri arịrịọ onye ọrịa maka enyemaka ego maọbụ ntinye akwụkwọ maka enyemaka ahụike, UMMS ga-ewetarịrị mkpebi ntozu e nwere ike. Mkpebi nke ntozu enwere ike ịgbanwe dabere na nnata akwụkwọ  nkwado.

O buru na a choputara na ntinye akwukwo maka rnyemaka tgo nke onye oria zuru ezu ma kwesi ekwesi, ndi otu a họpụtara ga-atu aro ogo ntozu onye oria ahu ma zipu ya maka nnabata nke abuo na nke ikpeazu. UMMS ga-

ewepụta mkpebi nke ikpeazụ nke ntozu onye ọrịa ahụ n'ime ụbọchị 14 mgbe onye ahụ nyefechara ntinye akwụkwọ e dejụpụtara maka enyemaka ego ma kwusi ịna ụgwọ ọbụla maọbụ ihe a na-eme iji nata ụgwọ nlekọta ahụike mgbe a na-eme mkpebi ntozu.

**Ọ bụrụ na A Nabatara Ntinye Akwụkwọ maka Enyemaka Ego**

Ozugbo a kwadoro onye oria maka enyemaka ego, mkpuchi enyemaka ego ga-ebido dịwa ire maka onwa mkpebi ahu nakwa otu afo tupu e me mkpebi ahu.

- A ga-enyefe onye oria obula akwukwo ozi nke mkpebi ikpeazu, ndi rioro maka enyemaka ego site na odide, nke gụnyere (ọ bụrụ na ọdabara): Enyemaka nke onye ahụ tozuru etozu yana ihe a zodoro wee mee mkpebi ahụ.
- UMMS nwere ike ikpebie ịgbatị oge ntozu enyemaka ego gaa n'azụ maọbụ n'ọdịnihu dabere na mkpebi a na eme n'otu n'otu.
- A na etinyekarị enyemaka ego na ihe mberede nile nakwa nlekọta ahụike ndị ọzọ dị mkpa nke ndị otu UMMS na enye (Lee Mwepu maka ozi ndị ọzọ)
- Ọ bụrụ na e nyere ọrụ enyemaka nlekọta ahụike ọzọ karịa oge ntozu e nyere, ndị ọrịa ga-etinyeghariri akwụkwọ maka inata enyemaka ego.
- O buru na a choputara na onye oria ahu tozuru etozu maka mbelata ego nlekota ahuike, ma natakwa nkwupụta okwu e derede maka ntozu oru enyemaka nlekota ahuike e nyere n'oge mkpuchi enyemaka ego, a ga-enyekwa onye oria ahu ihe ndi a gbara ya ugwo n'akwukwo nke na-egosi onuego onye oria ahu ji maka nlekọta ka e tinyechara akwukwo maka enyemaka ego.
- Ọ bụrụ na onye ọrịa kwuru ụgwọ maka ọrụ enyemaka ahụike tupu ọ nata nnabata maka enyemaka ego, ha nwere ike itozu maka nkwughachị ụgwọ. Mkpebi nkwụghachi dabere na mgbe a chọpụtara onye ọrịa enweghị ike ịkwụ ụgwọ ma e jiri ya tụnyere mgbe a kwụchara ụgwọ onye ọrịa. Ọ bụrụ na ego nke onye ọrịa ahụ kpebiri ịkwụ dị obere karịa ego onye ọrịa, a ga-enye onye ọrịa nguzozi kredit nke ga-esi na ya pụta dị ka nkwụghachi ma ọ bụrụ na ego ahụ gafere ibu ọrụ siri ike nke onye ọrịa site na $5.00 maọbụ karịa. Nke a gụnyere ime mkpebi maka ntozu enyemaka ego n'ime ụbọchị 240 ka a kwuchara ụgwọ izizi.

Ọ bụrụ na e nwere mgbanwe na mkpata ego onye oria, ihe owunwe, ego e mefuru maọbụ ọnọdụ ezinulo, onye ọrịa ahụ kwesiri igwa Ngalaba Na-Ahụ maka Enyemaka Ego na 410-821-4140. Iji mee ka usoro a gaa osiso, ma gbaa mbo hu na ndi oria nwere ohere nnyochagharị maka ntozu enyemaka ego n'ime ụbọchị 240 nke nkwupụta mbụ, UMMS ga-agwa ndị ọrịa na ọ bụrụ na mkpata ego ha agbanweela, ha kwesiri ikpọtụrụ Ngalaba na ahụ maka Atụmatụ Enyemaka Ego na ihe ndeko ego ọbụla.

**Ọ bụrụ na A nabataghi Ntinye Akwụkwọ maka Enyemaka Ego**

Ọ bụrụ na a choputa na onye oria etozughi etozu maka nnata enyemaka ego tupu o nata ọrụ enyemaka nkelota ahụ (maka oru enyemaka nile), mbọ niile a na-agba n'inakọta ụgwọ ego akpiri onu, nwepusi ego, maobu a ga-eme pasent nke ego foduru a turu anya maka ọrụ enyemaka tupu ụbọchị ọrụ enyemaka ma ọ bụ enwere ike ịhazi maka ịnakọta n'ụbọchị ọrụ

- Ọ bụru na a chọpụtara na onye ọrịa ahu etozughi etozu maka enyemaka ego, ma ha wee tinye akwụkwọ iji nweta nkwucha ụgwọ maka ọrụ enyemaka nlekọta ahụike n'ụlọ ọgwụ nke na-abụghị nlekọta ahụike nke mberede maọbụ nke osiso, onye otu a họpụtara ga-agwa ndị ọrụ ụlọ ọgwụ maka mkpebi ahụ nakwa ọrụ ndị na-abụghị nke mberede/ọrụ ụlọ ọgwụ ngwa ngwa agaghị eme ndokwa.

- Onye dọkịta nwere ike ịrịọ maka mkpebi ahụ ma rịọ ka ndị Komitii Ndị Isi Na-Ahụ maka Nkwwucha Ụgwọ Ego tulegharịa uche na ya n'otu n'otu.
- Maka ọrụ mbere maọbụ ngwa ngwa, ntinye akwukwo enyemaka ego ga-emecha, nata, ma nyochaa ya ma ghara igbu oge ndị ọrịa ịnweta nlekọta.
- A ga-achọrọ ndị ọrịa na-etozughị maka enyemaka ego kwụọ ụgwọ ọbụla mepere emepe ma nwee ike nyefee ya n'ọrụ ụgwọ ọjọọ ma ọ bụrụ na-akwụghị ụgwọ ahu fọdụrụ n'ime oge e kwekọrịtara.
- Onye ọrịa nwere ike ịrịọ maka mkpebi ahụ, biko lelee nkeji Arịrịọ maka ozi ndị ọzọ.
- Maka ọgwụgwọ ọbụla onye oria chọrọ, a ga emepe usoro ntinye akwukwo enyemaka ego ruo opekampe ihe dịka ụbọchị 240 ka e zipụchara ụgwọ onye ọrịa nke mbụ maka nlekọta ahụ.

## III. Ọnọdu Ntozu

UMMS ga-enye enyemaka ego mgbe e mechara ntuleghari nke onodu ego onye oria n'onwe ya ma dee ya n'akwukwo. UMMS agaghị eji ebe onye ọrịa si maọbụ ọnọdụ nkwabata nke onye ọrịa eme ntozu a chọrọ maka enyemaka ego; maọbụ ghara inye enyemaka ego maọbụ ju ntinye akwụkwọ onye ọrịa maka enyemaka ego; n'ihi agbụrụ, agwa, okpukperechi, agbụrụ maọbụ mba o si, okike, afọ, usoro mmekọahụ, ọnọdụ alụmdi na nwunye, njirimara okike, ozi banyere ihe nketa mmadụ, maọbụ dabere n'ọnọdụ nsogbu ahụike.

Aga-etinye ọnọdụ ndị a na-esonu na ịmata ntozu onye ọrịa maka enyemaka ego, nnabata inye nlekọta ahụike maka enyemaka ego, na ntozu maka enyemaka ego ihe isi ike.

**<u>Ntozu maka Enyemaka Ego</u>**

UMMS na arụtụ aka n'ego ezinụlọ MDH na-akpata iji chọpụta ntozu enyemaka ego, na ogo nlekọta ahụike n'efu maọbụ mbelata ego a ga enye ndị ọrịa tozuru etozu. UMMS ga-agbakọ mkpata ego ezinụlọ n'oge a na-enye ọrụ enyemaka . Iji zaa ajụjụ maka mgbanwe ọbụla e mere n'ọnọdụ ego, UMMS ga agbakọgharị mkpata ego nke ezinụlọ n'ime ụbọchị 240 ka e wetachara ụgwọ ụlọ ọgwụ mbụ.

UMMS nwere ike ịtụle akụ ego ezinụlọ n'ime mkpebi ntozu maka nlekọta efu na mbelata n'okpuru amụma enyemaka ego na mgbakwunye na njirisi dabere na ego. A ga-ahazigharị ihe onwunwe e ji gbanweta ego kwa afọ maka iri elu nke ọnụahịa dịka e dere na Mgbawe Ọnụahịa. A ga-ewepu ihe onwunwe e ji agbaweta ego ndị a na-esonu nke e nwere ike igbanweta n'ego:

- Opekampe, ihe onwunwe e ji agbanweta ego $10,000 nke izizi.
- Ego e debere n'ebe dị maka nke $150,000 n'isi ụlọ ebe obibi.
- Ngwongwo ezumike nka nke Ọrụ Intanal Revenu nyere ọgwụgwọ ụtụ isi mmasị dị ka akaụntụ ezumike nka, gụnyere atụmatụ nkwụghachi ụgwọ nke tozuru oke n'okpuru koodu ntinye Intanal Revenu maọbụ atụmatụ nkwụghachi ụgwọ etozughị etozu.
- Otu ụgbọala eji ozi maka onye ọrịa maọbụ onye ezinaụlọ ọbụla nke onye ọrịa;
- Ego ọbụla e wepụrụ n'ikpebi maka ntozu n'okpuru Atụmatụ Ọrụ Enyemaka Nlekọta Ahụike dị n'opkuru ochichi nke Iwu Nchekwa Ọha.
- Ego agụmakwụkwọ dị elu a kwụgoro n'akaụntụ Mmemme Maryland 529.

N'ịchọpụta ego ezinụlọ nke onye ọrịa, UMMS ga-etinye nkọwa gbasara nha ezinụlọ nke mejupụtara onye ọrịa yana, n'opekampe, di na nwunye (n'agbanyeghị ma onye ọrịa na di maọbụ nwunye na-atụ anya idebanye aha nkwụghachi ụgwọ ụtụ isi nke gọọmenti etiti maọbụ nke steeti), ụmụaka ndị dị ndụ, ụmụ ndị e kuchiri, maọbụ

ụmụ di/nwunye, na onye ọbụla nke onye ọrịa na-azọrọ igụpụ onwe ya na nkwụghachi ụgwọ ụtụ isi nke gọọmenti etiti maọbụ nke steeti. Maka onye ọrịa bụ nwata, nha ezinụlọ ga agụnye nwata ahụ na ndị mụrụ ya, ndị o jiri mere nne na nna, maọbụ ndị kuchiri ya maobụ ndị na-elekọta ya, ụmụnne ya, ụmụnne na abụghị otu nne, maọbụ ụmụ sitere na nne maọbụ nna ọzọ, na onye ọbụla ọzọ nke nne na nna onye ọrịa maọbụ onye nlekọta ya n'ekwu na-aga ewepu ya na nkwughachi ụgwọ ụtụ isi nke gọọmenti etiti maọbụ nke steeti..

E nwere ike ihuta onye ọrịa dịka onye na etozughi maka enyemaka ego:

- Ọ bụrụ na ha Nwere mkpuchi (omumaatu, MO, PPO, maobu Ugwo Iti Aka N'Obi nke Ndi Oru, Medikeed maobu Atumatu mkpuchi ndi ọzọ), nke a na-ekweghi ka ha nweta UMMS n'ihi atumatu mgbachibido mkpuchi /ogo oke a ga anabata.
- Ọ bụrụ na ha ekweghi ka e mee ha nnyocha maka atumatu enyemaka ndi ozo tupu enyefe ntinye maka enyemaka ego.
- Ọ bụrụ na ha ekweghi ekpughe ozi gbasara ikike inata ego iti aka n'obi na echenu.

A na etinyekarị enyemaka ego na ihe mberede nile nakwa nlekọta ahụike ndị ọzọ di mkpa nke ndị otu UMMS na enye; n'agbanyeghị, e nwere ike itinye mwepu ndị a na esonu:

- Ọrụ enyemaka si n'aka ndị na ahụ maka nlekọta ahụikē na esọghị n' òtù ndi UMMS (ịmā atụ, ngwa ọrụ ụlọ ọgwụ na-adigide, oru enyemaka nlekọta ahụikē n'ụlọ).
- Ọrụ enyemaka nke iwu maọbu atụmatụ mkpuchi nke onye ọrịa anaghị ekpuchi (ịma atụ; HMO, PPO, maọbụ Ikwu Ndị Ọrụ Ụgwọ Iti aka N'Obi). E nwere ike wepụ otu ikpe iche site na iche ihe gbasra mmemme ahụike .
- Ihe ịchọ mma maọbụ ọrụ ndị ọzọ na-adịghị mkpa maka ahụike.
- Ihe dị mma maka ndị ọrịa, nri, na ebe obibi.
- Ebe obibi na nri a na-elekọta mgbe onye ọrịa nọ na Mmemme U bọchị.
- Ugwo Mkpuchi A ga-akwụ ma ọ bụrụ na onye ọzọ butere gi oghom (Mberede Okporo Uzọ, Ego Iti Ndị Orụ Aka N'Obi, Mmeru Ahụ, maọbụ ihe ndoro iwu ọzọ) ruo mgbe ụzọ ikwu ụgwọ niile gwuru.

Enyemaka ego maka ndị dọkịta n'okpuru iwu a metuatara out UM Dọkịta Netwọk (UMPN) Ndị ọrịa chọrọ ịchụso enyemaka ego maka ụgwọ Netwọkụ Ndị Dọkịta Na-Abụghị UM ga-akpọtụrụ ndị dọkịta maọbụ ndị na-eweta ya ozugbo. Ndepụta nke ndị na-eweta ọrụ enyamaka na-enye nlekota ahuike di mkpa n'ụlọ ọgwụ UMMS ọbụla, enwere ike inweta ya na websaiti UMMS ọbụla. Ndepụta a na-akọwapụta ụdị nke ndị na eweta ọrụ enyemaka na-anaghi eso na Iwu Enyemaka Ego nkeUMMS.

**Enyemaka Ego A ga Elere maka Ntozu**

Ọ bụrụ na enweghị ihe akaebe na-akwado ntozu onye ọrịa maka enyemaka ego, UMMS nwere ikike ikpebi ntozu enyemaka ego maka akaụntụ ụlọ ọgwụ niile. Iji chọpụta ntozu oke maka enyemaka ego, UMMS nwere ike iji ụlọ ọrụ ndị ọzọ maọbụ ozi tụọ ego nke e nwere ike iji chọpụta ntozu onye ọrịa maka ntozu enyemaka ego. N'ihi ọdịdị nke ọnọdụ echere, UMMS ga-enye ndị ọrịa chere na ha ruru eru maka enyemaka ego n'efu. Ntozu echeremaka enyemaka ego ga-ekpuchi naani oru enyemaka ubochi ndi oria kpomkwem. Otu ndị na-eweta Netwọk Dọkịta UM ga-enye enyemaka ego na nguzozi dọkịta dabere na mkpebi nke ntozu na nguzozi ụlọ ọgwụ.

E nwere ike ikpebi ntozu e chere na-adabere na ọnọdụ ndụ onye ọbụla nwere ike ịgụnye:

a. Mkpuchi Enyemaka Ahuike nke Ulo Ahia ogwu Nọ n'Ọrụ
b. Mkpuchi Obere Ego Medikie (SLMB)
c. Mkpuchi Nlekota Ahuike Okenye (PAC)
d. Enweghi Ebe Obibi
e. Onye Orịa nwere Mkpuchi Ahụike Ugbua
f. Enyemaka Ahụike na Nlekọta Ndi Orịa Medikeed maka ọrụ e nyere na ER karịrị mkpuchi mmemme ndị a
g. Enyemaka Ahụike na-emefu obere ego
h. Ntozu maka steeti ndi ozo maobu atumatu enyemaka nke ebeulo, dị ka:
   i) Emume Enyemaka Nri Nri
   ii) Enyemaka Emume Ikwu Ugwọ Oku Latriki
   iii) Mmemme Mgbakwunye Pụrụ Iche maka Umụ Nwanyị, Umụ Ohụrụ na Umụaka
   iv) Atụmatụ enyemaka oha ọzọ dịka ndị MD DHMH na Kọmịshọna Nlele Ọnụ Ahịa Ahụike (HSCRC) siri kpebie.
i. Onye ọrịa anwụọla n'enweghị ala amata
j. Ndi oria kpebiri imezu onodu ntozu e meputara n'okpuru Steeti nke mbu nke Atumatu Naani Enyemaka Ahuike
k. Ndi na-abughi ndi amaala US weere na ha anaghi ya
l. Ọrụ Enyemaka Ahụike Na-Etozughị maka Enyemaka Ahụike ndị ọrịa tozuru oke
m. Ndị ọrịa a maghị (Doe akaụntụ n'anyị agbachaala mbọ niile ịchọta na/maọbụ ID)
n. Enweghi ego ikwu ugwo, site n'iwu, dika ndi ulo ikpe gọọmentị etiti manyere n'iwu
o. Ntozu na ụfọdụ mmemme ụlọ ọgwụ UMMS (gụnyere: St. Clare Outreach Program, UMMS Maternity Program, UMSJMC Hernia Program).

A gaghi anabata ndi oria na-enweghi mkpuch a huru na Ngalaba ebe Ihe mberede n'okpuru Ngalaba Nnyocha ihe Mberede maka enyemaka ego e chere ruo mgbe a kwuru ugwo Atumatu Mkpuchi ndi oria na enweghi ego Kwadoro onwe ha nke Maryland .

**<u>Ntozu Enyemaka Ego ihe Isi Ike</u>**

Enyemaka egoihe isi ike dị maka ndị ọrịa na-etozughi maka enyemaka n'okpuru isi ntụzịaka nke iwu a, mana maka ndị ụgwọ ahụike maka ọgwụgwọ ahụike dị mkpa n'ọnwa iri na abụọ (12) karịrị 25% nke ego nnweta ezinụlọ kwa afọ.

- A ga atule onụego nke ụgwo ụlọ ọgwụ na enweghi mkpuchi ahụike e nwetara site na UMMS n'ime mkpebi ntozu onye ọrịa (gụnyere akaụntụ ọ bụla gara n'ụgwọ na-enweghi ike ikwughachi, wezuga akaụntụ ndị ahụ gara n'ụlọikpe wee nweta ịmat ikpe) yana mmefu ego ahụike ọ bụla a tụrụ anya ya.
- Maka ndị ọrịa tozuru maka mbelata ọnụego nlekọta ahụike n'okpuru ọnọdụ enyemaka ego ma mezukwaa ọnọdụ maka ọnọdụ enyamaka ego ihe isi ike , UMMS ga-enwe ngụkọta mwepụ ego tozuru etozu.
- Iji gbakọọ ego nke ezinụlọ, UMMS ga-eji otu ọnọdụ ahụ edepụtara na ngalaba Ntozu maka Enyemaka Ego nke iwu a iji gbakọọ ihe onwunwe, ego mkpata ezinulo, na nha ezinulo.
- Ozugbo a nabatara onye ọrịa maka enyemaka Ihe isi ike ego, mkpuchi ga-adị irè n'ọnwa nke ụbọchị izizi otuzuru maka oru enyemaka nakwa afo tupu e mee nchoputa. UMMS nwere ike kpebie ịgbatị oge

ntozu maka enyemaka ego ihe isi ike ego gaa n'azụ ma ọ bụ n'ọdịnihu dabere na mkpebi ana eme n'otu n'otu.

- Enyemaka ego ihe isi ike ga-ekpuchi onye ọrịa na ndị ezinụlọ tozuru etozu bi n'ezinụlọ maka mbelata ego nlekọta ahụike na oge ntozu maka nlekọta ahuike di mkpa wee ga-anọgide na itozu maka mbelata ọnụego na nlekọta ahụike dị mkpa maka ihe ego isi ike mgbe o na-achọ enyemaka ọzọ n'ọdịnịhụ n'otu otu ahụ n'ime oge ọnwa 12 site na ụbọchị a natara mbelata ọnụego na nlekọta ahụike dị mkpa maka ego ihe isi ike izizi. Iji zeere mweghachi nke UMMS na-enweghị isi maka ntozu maka nlekọta efu na mbelata, onye ọrịa maọbụ ndị ezinụlọ tozuru ga-agwa UMMS maka ntozu onye ọrịa maọbụ onye ezinụlọ maka nlekọta ahụike dị mkpa maka mbelata-ọnụ.

Ntozu ndị ọzọ niile, etozughi etozu, yana ndi na emeputa onodu isi enyemaka ego e tinyere maka onodu enyemaka ego Ihe isi ike, o buruhalaa ma e kwuru ya n'elu.

**IV. Irịọ maka Mkpebi Ntozu maka Enyemaka Ego**

Ndị ọrịa ndi a na-anabataghi inye akwụkwọ maka enyemaka ego ha nwere ohere ịrịọ nnyochaghari maka mkpebi ahu. E nwere ike imalite nyochaghari n'onu maobu na odide. A na-agba ndị ọrịa ume ka ha nyefee akwụkwọ nkwado ọzọ na-egosi ihe kpatara e kwesiri iji megharịa mkpebi gara aga a juru aju.

Ọ bụrụ na onye ọrịa chọrọ ịrịọ mkpesa, UMMS ga-:

- Agwa onye ọrịa ahụ na Ngalaba na-ahụ maka Mmụta Ahụike na Nkwado dị adị iji nyere ha aka maọbụ ndị ha nyere ikike na idejụpụta nakwa itinye ọnụ n'irịọ maka nnyochagharị mkpebi.
- Nweta adreesị, nọmba ekwenti, nọmba faksi, adreesị ozi ịntanetị, adreesị nzipụ ozi ederede, na webụsaịtị nke Ngalaba na ahụ maka Mmụta Ahụike na Nkwado: Ụlọ ọrụ onye Ọkaikpe, Ngalaba na ahụ maka Mmụta na Ahụike na Nkwado | 200 Ebe St. Paul, Elu Ụlọ nke 16th , Baltimore, MD 21202 | Ekwenti: (410) 528-1840 | Toll-free in Maryland 1-877-261-8807 | Faksi: (410) 576-6571 | Ozi ịntanetị: heau@oag.state.md.us
- Dọkụmentị arịọrọ n'ime data ndị ọzọ yana usoro njikwa ozi maka nnyochagharị site n'aka ogo njikwa ọzọ dị kariri onye nnọchianya nke jụrụ ntinye akwụkwọ nke izizi.
- Nyefee akwukwo ozi nke mkpebi ikpeazu n'aka onye oria obula ndi nke nyefegoro akwukwo mkpesa.

**<u>Mwepu Ego na Nleba Anya Nke Onye Mweta Ya</u>**

Ebe e nwere uru mmụta, ahụike, na/maọbụ ikwalite odimma mmadụ, Ndị otu ụlọọgwụ UMMS nwere ike ịrịọ mwepu ego nke ndị ọrịa na-enweghị ike maọbụ nwee ike ịkwụ ụgwọ maka ọrụ nlekọta ahụike ha. Ndị otu ọrụ ahụike ga enyeriri ihe kpatara ya ziri ezi tupu onye oria ahụ anata ọrụ enyemaka nlekọta. Ụlọ ọrụ ịgba ụgwọ nke Isi UMMS Revenu Sailul ga-enyocha ntozu onye ọrịa maka enyemaka ahụike na enyemaka ego. Komitii Ndị Isi na ahụ maka Mkwucha Ụgwọ n'ogo ndị otu, gụnyere ndị isi otu ndị ọrụ na nke ego, ga-ana ozi e nyefere site n'aka ndị ụlọ ọgwụ na ụlọ ọrụ na-ahụ maka ịkwu ụgwọ wee mee mkpebi n'ikpeazụ ma a ga enye nkwucha ụgwọ n'otu n'otu.

Ọ bụrụ na a kwuchaala ụgwọ, ndị ọrịa ahụ ka ga-ahụ maka idejụpụta ntinye akwụkwọ maka enyemaka ego, ma nwee ike ịnọ n'okpuru nnyocha enyemaka e chere , dịka e depụtara n'iwu a.

## V. Ọkwa nke Nnweta Enyemaka Ego Dị Adị

UMMS ga-adụ ndị ọrịa ọdụ, ndị ezinụlọ onye ọrịa, nakwa ndị nnọchiteanya e nyere ikike maka enyemaka ego dịnụ site n'eji ọkwa a madọrọ amadọ yana Ụgwọ ụlọ ọgwụ nke Onye Ọrịa nakwa Akwụkwọ Ozi Enyemaka Ego. Ụgwọ Ulọ Ogwụ Onye Orịa nakwa Akwụkwọ Ozi Enyemaka Ego na-agwa onye ọrịa n'enyemaka ego dị yana atụmatụ usoro ịkwụ ụgwọ, gụnyere nkọwa Iwu Enyemaka Ego nke UMMS, na-akọwa etu esi etinye akwụkwọ maka enyemaka ego, ma gụnye nkọwa ikike onye orịa nwere na ọrụ ya n'ihe metụtara ụgwọ ụlọ ọgwụ na ịnakọta ego n'okpuru iwu.

- UMMS ga-etinye okwa ederede maka enyemaka ego di adi n'ime ulo ulo ogwu UMMS ihe mberede o bula (oburu na o nwere) ma ebe ndi oria na edina, ebe a na enweta onye ọrịa dị mkpa, yana ulo oru na-ahu maka Ikwu ugwo ulo ogwu. A ga ezigara onye oria akwukwuo ozi imata maka odidi tinyekwuru ego ulo ogwu onye oria e derede.
- A ga enye Ego Ugwo ulo ogwu Onye oria nakwa Akwukwo Ozi Enyemaka Ego tupu oge nnabata ya na tupu o si n'ulo ogwu lawa, tinyekwuoro ugwo ulo ogwu obula e derede, o ga-adiri ndi oria niile mgbe ha rioro maka ya na akwughi ugwo, ma site na meelu na n'ime ụlọ mberede (ọ bụrụ na e nwere otu) na ebe nnabata.
- Iwu Enyemaka Ego na Ntinye Akwukwo maka Enyemaka Ego ga-adiri ndi oria nile mgbe ha rioro maka ya na akwughi ugwo, ma site na meelu na n'ime ụlọ mberede (ma o buru na e nwere otu) na ebe ndina ndi oria.
- A ga-etinye Iwu Enyemaka Ego, Akwukwo Ozi Ego Ugwo Ulo Ogwu Onye Oria nakwa Ntinye Akwukwo Enyemaka Ego ebe a ga-ahu ya osiso n'weebusaiti UMMS (www.umms.org).

**<u>Ịgba Ugwọ Onye Orịa na Ozi Enyemaka Ego</u>**

Na mgbakwunye na ọdịnaya a kpọtụrụ n'elu, akwụkwọ ozi ịgba ụgwọ onye ọrịa na enyemaka ego ga-agụnye:

- Webụsaịtị na ebe a na-ahụ anya ndị ọrịa nwere ike inweta iwu enyemaka ego na fọm ntinye akwụkwọ maka enyemaka ego
- Ntuziaka maka otu e si enweta iwu enyemaka ego na fọm ntinye akwụkwọ maka enyemaka ego n'efu site n'meelu.
- Nkwụpụta site n'odidi gbasara ntụgharị dọkụmentị enyemaka ego n'asụsụ ọzọ.
- Ozi Mkpoturu nke Ngalaba na-ahụ maka ịkwụ ụgwọ ụlọ ọgwụ nke ndị UMMS, nke dịnụ iji nyere onye ọrịa aka, ndị ezinụlọ onye ọrịa maọbụ onye ahụ onye ọrịa nyere ikike inochite anya ya ghọta nkwupụta ederede ha, ghọta ikike onye ọrịa ahụ na ọrụ dịịrị ya n'ihe gbasara nkwupụta ederede ahụ, mụta ka e si etinye akwụkwọ maka nlekọta ahụike n'efu maọbụ na mbelata ego, maọbụ mụta ka esi etinye akwụkwọ maka Enyemaka ahụike nke Maryland, maọbụ atụmatụ ndị ọzọ ọ bụla ọzọ nwere ike inye aka kwụọ ụgwọ ụlọ ọgwụ.
- Ihe mkpoturu nke Atụmatụ Enyemaka Ahụike nke Maryland.
- Okwa na-akọwa na-anaghị etinye ego ndị dọkịta na ụgwọ ụlọ ọgwụ e dere ede n'akwụkwọ ma a na etinye ụgwọ ya iche.
- Ozi na-agwa ndị ọrịa banyere ikike ina ma nweta mgbakọta ego nile a nara nke e dere ede maka oru enyemaka ihe mberede n'ụlọ ọgwụ, usoro, na ihe ndị a na-enye nke a na-atụ anya ya na ndị ụlọ ọgwụ ga-enye ma naa ego ya.
- Ọkwa na ndị ọrịa tozuru maka nlekọta n'efu ma ọ bụ nbelata nwere ike agaghị akwụ ụgwọ karịa AGB maka nlekọta mberede ma ọ bụ nlekọta ahụike ndị ọzọ dị mkpa.

- Nkeji na-agwa onye ọrịa gbasara ikike ha nwere ime mkpesa na HSCRC nakwa n'Ụlọ Orụ nke Onye Okaikpe nke Maryland.
- Nkeji maka onye ọrịa ibido iji gosi na-emego ka ha mara maka Iwu Enyemaka Ego UMMS

A ga-ede Akwụkwọ Ozi Ego Ụlọ Ogwụ nke Onye Orịa nakwa nke Enyemaka Ego n'ụzọ ga ekwe nghọta, dịka e gosipụtara n'ihe ndị A Chọrọ maka Ụlọ Ogwụ 501(c)(3) n'Okpuru Iwu Mgbanwe Kwere Nghọta - Ngkeji 501(r), a ga-emekwa ka ọ dị n'asụsụ onye ọrịa chọrọ. Ọ ga-agụnyekwa ebe ga-enyere ndị ọrịa ohere imata na ha amatago maka iwu enyemaka ego.

**VI. Omume Mkpokọta Pụrụiche**

E nwere ike enyefe ego foduru n'akauntu a na-akwubeghi gaa n'Ụgwọ Ojọọ (e lere anya na-enweghị ụgwọ nlekọta) ma ziga ya na ulo oru mkpokota ozo maobu maọbụ ọka iwu ụlọ UMMS maka ọrụ iwu na/maọbụ nchịkọta. Ụlọ ọrụ ndị ọzọ na/maọbụ ndị ọka iwu na-arụkọ ma na-ahụkwa maka imezu ihe a chọrọ maka nnakọta ụgwọ ndị e depụtara n'iwu a mgbe niile, nakwa na Iwu UMMS na-Ahụ na A Kwuru Ugwo Ụlọ Ogwụ n'Oge. Nnakọta ụgwọ e mere na nnochiteanya UMMS site n'ụlọ ọrụ na-ahụ maka ịgba ụgwọ maọbụ onye ọkaiwu UMMS nwere ike ịgụnye ihe ndi e mere di iche iji Nata Ego Ụgwọ maka Nlekọta Ahụike (ECAs):

- <u>Ikọ akụkọ ọjọọ gbasara onye ahụ n'aka ụlọ ọrụ na-akọ akụkọ mgbazi ego nke ndị ahịa maọbụ ụlọ ọrụ mgbazi ego.</u> UMMS agaghị akọ akụkọ ọjọụ n'ụlọ ọrụ na-akọrọ ndị ahịa gbasara onye ọrịa na-enweghị mkpuchi maọbụ tozuru maka nlekọta efu maọbụ mbelata ego n'oge ọrụ. UMMS agaghị akọrọ ndị ụlọ ọrụ na-akọrọ ndị ahịa ruo opekata mpe ụbọchị 180 e nyechara nkwupụta mbụ. Tupu a kọrọ ndị ụlọ ọrụ na-akọrọ ndị ahịa, UMMS ga-ekpebi ma onye ọrịa ahụ etozuru maka nlekọta efu maọbụ nlekota ọnụ ala. UMMS agaghị akọ akụkọ ọjọọ gbasara onye ọrịa n'aka ụlọ ọrụ na-akọrọ ndị ahịa ma ọ bụrụ na onye ọrịa maọbụ onye na-ebu mkpuchi mara UMMS ọkwa na mkpesa maọbụ nnyocha nke mkpebi mkpuchi ahụike na-echere n'ime ụbọchị 60 gara aga, maọbụ ọ bụrụ na UMMS e mechaala nnyochagharị arịrịọ maka ngọnarị nlekọta efu maọbụ mbelata nke onye ọrịa mezuru nke ọma n'ime ụbọchị 60 n'abịa abịa. .
- Ibido mkpesa n'ulo ikpe megide onye ahu. UMMS agaghị ejide di maọbụ nwunye maọbụ onye ọzọ maka ụgwo mmadụ ji n'ụlọ ọgwụ onye gbara opekampe afọ 18. UMMS agaghị eme mkpesa n'ulo ikpe iji nata ugwo ruo mgbe opekata ubochi 180 ka e nyechara ndepụta ụgwọ nke izizi. Tupu e tinye mkpesa n'ulo ikpe, UMMS ga-ekpeni ma onye oria ahu o tozuru maka ịnata nlekota ahụike n'efu maobu na mbelata ego. UMMS agahi eme mkpesa n'ụlọ ikpe iji nata ụgwọ ma ọ bụru na a gwara UMMS dika e kwuru na iwu gọọmentị site n'aka onye ọrịa maọbụ ụlọ ọrụ na-enye mkpuchi nwere ike irio arịrịọ maọbụ nyochagharị mkpebi maka mkpuchi ahụike ka na-eche n'ime ụbọchị 60 n'abịa abịa. UMMS agaghị eme mkpesa n'ụlọ ikpe iji nata ụgwọ ma ọ bụrụ na UMMS emezuola nyochagharị mkpebi nke ekweghi ka anata nlekọta ahụike n'efu maọbụ na mbelata nke onye ọrịa mezuru nke ọma n'ime ụbọchị 60 n'abịa abịa.
- Itinye <u>maọbụ iweghara akaụntụ ụlọ akụ mmadụ maọbụ ihe onwunwe ndi ọzọ.</u>
- Imelite <u>ego ugwo oru nke mmadu.</u> UMMS agaghị ariomaka mmelite ego ụgwọ ọnwa maọbụ mee mkpesa nwere ike ibute itinye ego ụgwọ ọnwa megide onye ọrịa ma ọ bụrụ na onye ọrịa ahụ tozuru maka nlekọta ahụike n'efu maọbụ na mbelata ego.

E nwere ike iwere ECA na akaụntụ na-anoghi na esemokwu iwu maọbụ na-anọghị na nhazi ịkwụ ụgwọ. ECAs ga ebido ihe na-agaghi akari ubochi 180 site na ubochi nyefere ego nlekota ulo ogwu onye oria nke izizi, okwa e dere ede ga esochi ya ubochi 45 tupu ECA ebido. Ọkwa a e dere ga-esochi ntinye akwụkwọ maka enyemaka ego (na ntuziaka maka idejụpụta ntinye akwụkwọ ahụ) nakwa ọkwa nke ọnụnọ nke atụmatụ usoro ịkwụ ụgwọ

iji kwuchaa ụgwọ ụlọ ọgwụ, na Ụgwọ Ụlọ ọgwụ Onye Orịa nakwa Akwụkwọ ozi Enyemaka Ego. Ọkwa ahụ ederede ga-agụnye ozi ndị a:

- Ihe mkpoturu e gosipụtara na usoro iwu.
    - Aha na akara ekwentị nke UMMS
    - Aha na akara ekwentị maka onye na-anakọta ụgwọ (ma ọ bụrụ na e nwere)
    - Ozi mkpoturu nke Ngalaba Enyemaka Ego UMMS (maọbụ ụlọ ọrụ ndị ọzọ na-anọchite anya UMMS), e nyere ikike ịgbanwe usoro nke atụmatụ ịkwụ ụgwọ (ma ọ bụrụ na e nwere)
    - Nọmba ekwentị na adreesị ịntanetị nke Ngalaba na-ahụ maka Mmụta Ahụike na Nkwado n'Ụlọ ọrụ Nle Ndi Okaikpe, dị iji nyere ndị ọrịa nwere iji ụgwọ ụlọ ọgwụ aka.
- Ego a chọrọ iji kwụzuo ụgwọ ahụ (gụnyere ịkwụ ugwo ọ bụla gafegoro, ụgwọ maka mmebi iwu, maọbụ ụgwọ, maọbụrụ na o gunyere)
- Imata ECA na UMMS (maobu ulo oru ya na-agba ụgwọ onye ọkaiwu, maọbụ ndị ọzọ e nyere ikike) chọrọ iji ya anata ikwu ugwo maka nlekọta ahụ, ma depụta oge mmecha nke e nwere ike ịmalite ụdị ECAs ndị ahu.
- Oge ngwucha nke e nwere ike ibido ụdị ECA ndị ahu nke na-agaghi agafe ụbọchị 45 ka ụbọchị e nyechara ọkwa ederede gafechara.
- Nkwupụta okwu ederede na-akwado na onye ọrịa chọrọ ọrụ ndụmọdụ gbasara iji ụgwọ,
- Nkọwa nke Iwu Enyemaka Ego nke UMMS, na okwa nke odidi enyemaka ego maka ndi tozuru etozu
- Ozi ọ bụla ọzọ dị ka HSCRC nyere ya iwu

A ga ezigara onye ọrịa ọkwa ederede na-esochi dọkụmentị ndị a chọrọ site na meelu a kwadoro nakwa meelu puru iche , n'asusu onye ọrịa họọrọ, maọbụ n'asụsụ ọzọ, dika e gosiputara. Ọkwa ederede ahụ ga-abụ na asụsụ dị mfe nghọta nke opekata mpe ụdị 10.

N'mgbakwunye na ọkwa ederede, UMMS (na/maọbụ ndị yana ha na agbakọ ụgwọ maọbụ onye ọkaiwu) ga-agba ezigbo mbo iji kwurita onye ọrịa n'ọnụ maka odidi enyemaka ego, ma gwa onye ọrịa etu o ga-esi enweta enyemaka site n'usoro ntinye akwụkwọ. A ge eme ntuleghari ntozu e chere topu a nara ECA o bula. Nke ikpeazụ, o nweghị ECA a ga-ebido ruo mgbe e nwetara nkwado n'aka Usoro Mbata Ego nke Ndi Isi UMMS.

Ọ bụrụ na onye ọrịa choro itozu etozu maka inata enyemake ego, UMMS (yana/maọbụ ụlọ oru ya na-agba ugwo maọbụ onye ọka iwu ya) ga-eme ihe niile n'uzo kwesiri ekwesi iji megharia ECAs ọbụla e mere megide onye ọrịa ahụ iji nata ụgwọ maka nlekọta enyere n'oge ikwu ugwo ntozu enyemaka ego. Udi uzo ahu kwesiri ekwesi ga-agụnye usoro iji wepu ikpe ọbụla e mere megide onye ọrịa, wepu ụtụ maọbụ iwu ikike gbasara ụgwọ ihe onwunwe onye ọrịa, wee wepu ya na akuko ozi ego nke onye ọrịa, ozi ọjọọ ọbụla a kọọrọ ụlọ ọrụ na-akọ akụkọ ma ozi ego ọ bụ n'ụlọ ọrụ na-elekọta ịzụrụ ihe n'aka ECAs nile ga-akwụsị ozugbo a nabatara onye ọrịa maka enyemaka ego ma kwụọ ụgwọ niile onye ọrịa ji.

UMMS agaghi eme ECA ndi a:

- Ịre ụgwọ onye ọzọ.
- Nara omurunwa na ugwo nke ndi oria butere tupu enweta ikpe uloikpe
- Ịna ejide maọbụ ire ihe onwunwe onye ji ụgwọ megide isi ebe obibi nke onye ọrịa. N'ọnọdụ ụfọdụ, Lokal, Steeti, maọbụ Usoro Iwu Gọọmentị Etiti nwere ike inye iwu ka-etinye ikike ire ihe onwunwe nke onye ji ụgwọ, mana UMMS agaghị amanye ire maọbụ imechi ebe obibi onye ọrịa.

- Rio maka mkpuchi maka maọbụ mee ihe ga-eme ka ụlọ ikpe nye ikike ka ejide onye ọrịa ahụ.
- Mee mkpesa megide ọtụtụ ụlọ nke onye ọrịa nwuru anwu nwe, ma ọbụrụ na UMMS ma onye ọrịa ahụ nwụrụ anwụ dika onye tozuru etozu maka inate nlekọta ahụike n'efu maọbụ ego ọtụtụ ụlọ dara ka ewepuchara ụtụ o ji erughi ụgwọ ego ole o ji. Otu o di, UMMS nwere ike inye ezinulo nke onye oria nwuru anwu ikike itinye akwukwo maka enyemaka ego.
- Ego Ụgwọ ụlọ ọgwụ nke a chọrọ tupu enye nlekọta ahụike dị mkpa.

## MGBAKWUNYE GASI:

## MGBAKWUNYE NKE A Ego Onuogugu Ugwo - Mbelata Onuego Nlekota

| Ezinụlọ (HH) nha | 1 | 2 | 3 | 4 | 5 | 6 | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|
| Oke Ego Mbata (ruo nke kacha) | $14,580 | $19,720 | $24,860 | $30,000 | $35,140 | $40,280 | Hụ Oke Ọrụ Ebere UMMS N'okpuru |

| Ntuziaka Oke Ego Nnweta kwa Afọ Maryland Dept of Health (MDH) 2022 | | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|
| Ezinụlọ (HH) nha | 1 | 2 | 3 | 4 | 5 | 6 | |
| Oke Ego Mbata (ruo nke kacha) | $20,120 | $27,225 | $34,312 | $41,400 | $48,504 | $55,592 | Hụ Oke Ọrụ Ebere UMMS N'okpuru |

| Ntozu Ịnweta Enyemaka Ọrụ Ebere nke UMMS | | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|
| Ọ bụrụ na ngụkọta ego ezinụlọ (HH) gị kwa afọ dị na ma ọ bụ n'okpuru: | | | | | | | Ị tozuru maka pasentị ọrụ ebere ndị a na UMMS: |
| Ezinụlọ (HH) nha | 1 | 2 | 3 | 4 | 5 | 6 | |
| Oke Ego Mbata (ruo nke kacha) | $40,240 | $54,450 | $68,624 | $82,800 | $97,008 | $111,184 | **Orụ Ebere 100%**<br>(Iheruru 200% nke oke Ego nnweta kwa Afọ nke MDH) |
| Oke Ego Mbata (ruo nke kacha) | $42,252 | $57,173 | $72,055 | $86,940 | $101,858 | $116,743 | **Ọrụ Ebere 90%**<br>(Iheruru 210% nke oke Ego nnweta kwa Afọ nke MDH) |
| Oke Ego Mbata (ruo nke kacha) | $44,264 | $59,895 | $75,486 | $91,080 | $106,709 | $122,302 | Ọrụ Ebere 80%<br>(Iheruru 220% nke oke Ego nnweta kwa Afọ nke MDH) |
| Oke Ego Mbata (ruo nke kacha) | $46,276 | $62,618 | $78,918 | $95,220 | $111,559 | $127,862 | **Ọrụ Ebere 70%**<br>(Iheruru 230% nke oke Ego nnweta kwa Afọ nke MDH) |
| Oke Ego Mbata (ruo nke kacha) | $48,288 | $65,340 | $82,349 | $99,360 | $116,410 | $133,421 | Ọrụ Ebere 60%<br>(Iheruru 240% nke oke Ego nnweta kwa Afọ nke MDH) |
| Oke Ego Mbata (ruo nke kacha) | $50,300 | $68,063 | $85,780 | $103,500 | $121,260 | $138,980 | **Ọrụ Ebere 50%**<br>(Iheruru 250% nke oke Ego nnweta kwa Afọ nke MDH) |
| Oke Ego Mbata (ruo nke kacha) | $52,312 | $70,785 | $89,211 | $107,640 | $126,110 | $144,539 | **Ọrụ Ebere 40%**<br>(Iheruru 260% nke oke Ego nnweta kwa Afọ nke MDH) |
| Oke Ego Mbata (ruo nke kacha) | $54,324 | $73,508 | $92,642 | $111,780 | $130,961 | $150,098 | **Ọrụ Ebere 30%**<br>(Iheruru 270% nke oke Ego nnweta kwa Afọ nke MDH) |
| Oke Ego Mbata (ruo nke kacha) | $56,336 | $76,230 | $96,074 | $115,920 | $135,811 | $155,658 | **Ọrụ Ebere 20%**<br>(Iheruru 280% nke oke Ego nnweta kwa Afọ nke MDH) |
| Oke Ego Mbata (ruo nke kacha) | $58,348 | $78,953 | $99,505 | $120,060 | $140,662 | $161,217 | **Ọrụ Ebere 10%**<br>(Iheruru 290% nke oke Ego nnweta kwa Afọ nke MDH) |

* Mbelata ego niile e depụtara n'elu ka a ga -etinye n'ọrụego onye ọrịa ahụ na -ahụ maka ịkwụ ụgwọ mgbe a kwụghachi ụgwọ mkpuchi ahuike.
*Onuego e nyere ndi oria ndi tozuru maka Mbelata Onuego Nlekota n'ego onuogugu (maobu maka Enyemaka Ego Ihe isi ike) agaghi eru ego ole niile e nyere ndi nwere mkpuchi (AGB), nke dị na Maryland bụ ụgwọ nke Kọmitii na Ntuleghari Onuego Enyemaka Ahụike (HSCRC) guzobere. UMMS ga-ekpebi AGB site na iji onuego Medikia Enyemaka ego nke ndi okenye, ga ahapu maka nlekota (gunyere onuego onye nrite uru ga na akwu, nke be onuego HSCRC; ama nke a dika "usoro atumanya Mkpuchi Enyemaka ego nke ndi okenye".

**Ọ dị irè na 07/01/23**

**IWU METUTARA:**
Iwu kredit & mkpokọta UMMS
Iwu Usoro Ikwu ugwo nke UMMS

**ONYE NWE IWU:**
Ọrụ Saịkul Ina Ego UMMS

**AKWADORO:**
Iwu mbido Kwadoro Kọmitii Nnabata Ndị Isi: 09/18/19
Kọmiti Nnabata Ndị Isi Kwadoro Mgbanwe: 10/19/2020, 11/07/22

Emelitere Ogo Ụbịam nke Gọọmentị Etiti na Maryland Department of Health Oke Ntozu Ego Nnweta kwa Afọ na: 07/01/20, 07/01/21, 07/01/22, 07/01/23

Ndi Isi Ọrụ Kọmitii nke UMMS maka Ime Mkpebi maka Nrubee Isi (ECC) kwadoro Iwu a na Ọktoba 19, 2020. A nabatara iwu a maka:

- Ụlọ Ogwu UM St. Joseph Medical Center (UMSJMC) ga-ebido na June 1, 2013.
- UM Midtown Campus (MTC) ga-ebido na Septemba 22, 2014.
- Ụlọ Ọgwụ UM Baltimore Washington Medical Center (UMBWMC) ga-ebido na Julaị 1, 2016.
- Ụlọ Ọgwụ UM Shore Regional Health (UMSRH) ga-ebido na Septemba 1, 2017.
- Ụlọ Ọgwụ UM Charles Regional Medical Center (UMCRMC) ga ebido na Disemba 2, 2018.
- Ụlọ Ọgwụ UM Upper Chesapeake Health (UCHS)-ga ebido na Julaị 1, 2019
- Ụlọ Ọgwụ UM Capital Region Health (UMCRH) ga-ebido na Septemba 18, 2019